# Mgbamonwe Olundị n'Igbo

**Crescentia N. Ugwuona**
*Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naijiria ndị Ọzọ*
*Mahadum Naịjịrịa, Nsụka*
*crescentia.ugwuona@unn.edu.ng*

**Ụmị**

Nchọcha a lebara anya na mgbamonwe n'olundị ndị Igbo n'ogo ụda na okwu na mpaghara Ụrata, Mbieri, na Ọhaọzara Igbo. Ọtụtụ ndị amụmamụ na sayensi asụsụ na-ekwu na asụsụ kwụ̀ chịm, na ọ anaghị agbaonwe nke ọ na-agbanwe agbanwe. Ọzọkwa, ndị Igbo ụfọdụ anaghị aghọtami okwu na mkpụụdaasụsụ Igbo ụfọdụ sitere n'olundị ndị Igbo bidebere n'oke ala Igbo na obodo ndị ọzọ. Ọnọdụ a mere anyị ji họrọ olundị ndị Ụrata, Mbieri, na Ọhaọzara bụ ndị ha na obodo ọzọ gasị gbara agbataobi. Anyị chọrọ igosi na usoro asụsụ na-agbanwe agbanwe ọ kacha n'ogo ụda na okwu. Ya mere nchọcha a ji gbado ụkwụ n'inyocha mgbamonwe n'ogo ụda na okwu n'Olundị ndị Igbo. E ji atụtụ soshiolingwistiks wee mee nchọcha a. E ji ajụjụ ọnụ na nọrọ lere wee nakọta ngwa nchọcha site n'aka ndị ntorobia na ndị okenye Ụrata, Mbieri, na Ọhaọzra na-asụ asụsụ epum ha. E gosiri ihe a nakọtara na tabuul, kọwasịa ha ma hazie ha nke ọma. A chọpụtara na e nwere ọtụtụ mgbamonwe asụsụ n'olundị anyị nyochara. Mgbamonwe n'olundị ndị a na-ebute adịmiche na mkpọpụta nakwa ndeputa ụda na mkpụrụokwu mana mpụtara ha na-abụ otu ihe. A chọpụtakwa na ihe na-ebutekarị mgbamonwe asụsụ gunyere mbịakọta asụsụ, mpaghara ebe ndị bi, ogo agụmakwụkwọ, ọrụaka, na ogo ọpụpụ na mbata.
***Isiokwu gasị:*** *Igbo, Mbieri, mgbamonwe, olundị, Ọhaọzara, Ụrata*.

**Dialect Variation in Igbo**

**Abstract**

The focus of this research is on dialect variation in Igbo from phonological and lexical levels in Ụrata, Mbieri, and Ọhaọzara dialects of the Igbo language. The research aims also to challenge the linguistic theories that model dialect/language as a static entity, identifying homogeneity with structure. Further, earlier researchers have not focused proper attention on dialect variation on Igbo especially on Ụrata, Mbieri, and Ọhaọzara. Further, some Igbo speakers often do not understand some Igbo phonemes and lexis in different dialects of Igbo especially of those living at the border. This situation underlies our choice of Ụrata, Mbieri, and Ọhaọzara that are have borders with other non Igbo communities. Data for the study is through unstructured oral interview and participant observation from the indigenous speakers of Ụrata, Mbieri, and Ọhaọzara. The data were presented in tables and analysed discriptivley. The result reveals different kinds of dialect variation in Ụrata, Mbieri, and Ọhaọzara Igbo at the phonological and lexical levels of linguistics descriptions. The study reveals also that phonological and lexical items can be realised differently by different speakers or by the same speaker in different contexts but the meaning remains constant. The study shows also that language is not static but heterogeneous and varies.
***Keywords***: *dialect, Igbo, Mbieri, Ọhaọzara, and Ụrata, variation*

## Mkpolite

Isi sekpu ntị n'amụmamụ soshiolingwuistiks bụ ịghọta ka asụsụ si agbaonwe ma katọọ atụtụ sayensị asụsụ nke na-ekwu na asụsụ kwụ chịm, na ọ anaghị agbanwe agbanwe. Ma gosi ka usoro asụsụ sị agbanwe, na asụsụ bụ ihe dị ndụ na-agbanwe agbanwe, na asụsụ bụ ihe dị ndụ

na-eto eto, na-agbanwekwa agbanwe. O doro anya na asụsụ ọ bụla nwere olundị. Ọ bụghị sọsọ na asụsụ Igbo nwekwara olundị kama na olundị dị na ya dị ọtụtụ. Mgbamonwe asụsụ na-arụtụ aka n'ọnọdụ ma ọ bụ mgbe a na-enweta ụdaokwụ dị n'otu asụsụ ma ọ bụ olundị n'ụzọ dị iche iche mana mpụtara ha anaghị agbanwe kama mpụtara ha na-abụ otu ihe. Ọnọdụ a na-apụtakarị ihe na nkọwa asụsụ n'ogo ụda, mkpụrụokwu, nkebiokwu ma ọ bụ n'ahịrịokwu. N'ọnọdụ a, onye ma ọ bụ ọtụtụ ndị ọsụ asụsụ na-ekwu otu ihe n'ụzọ dị iche iche nke nwere mgbado ụkwụ n'ebe ma ọ bụ mpaghara ọ nọ. Ọnọdu a dị ka anyị si kwuo na mbụ nwere ike ịbịa n'ogo ụda na okwu. (Ugwuona, 2013, 2017, 2019).

Ịmaatụ, na nsụnampaghara Nsụka nke Igbo mgbago ugwu na. Steeti Enugu o_nwere mpaghara na-akpọ ọka azamkpa, nwekwa mpaghara na-akpọ ya azə̣zə̣, nwekwa ndị na-akpọ ya ọka. E nwekwara ndị na-akpọ 'buusu'ihe ndị_a: nwóbīshí, nwọ́bàrà, òbə́shí, búúsù dgz. N'Igbo, e nwere ọtụtụ mgbamonwe nke ọtụtụ ihe na-akpalite dị ka anyị sirila kwuo. N'ala Igbo, ndị mmadụ bicha na mpaghara dị iche iche, ma nọkwara n'ogo nakwa ọnọdụ dị iche iche dị ka anyị si kọwaa. Nke a mere n'ọtụtụ mgbe, o_nweghi mpaghara ha na ndị-bi na mpaghara ọzọ na-asụ otu ụdị asụsụ Igbo. Etu a ka ọ dị na ndị bi n'ime ime obodo na ndị bi n'ebe mepere emepe, ndị gụrụ akwụkwọ na ndị na-agụghị, ndị ntorobia na ndị na-eme okenye dgz. Ihe ndị a niile socha n'ihe mere na e nwere ọtụtụ olundị nakwa asụmiche n'ala Igbo. Mgbamonwe asụsụ bụ nna ochie mgbanwe asụsụ maka na mgbamonwe na-akpalite ma na ebutekwa mgbanwe n'asụsụ. N'ime asụsụ ma ọ bụ olundị ọ bụla, mgbamonwe na-adịgasị na ya. N'ala Igbo, e nwere mgbamonwe asụsụ n'ogo dị iche iche, mana ebe mgbado ụkwụ anyị n'ihe ọmụmụ a bụ mgbamonwe asụsụ n'ogo ụda na okwu.

Mgbamonwe asụsụ a nwekwara ike ịpụta ihe na mọfịm ma ọ bụ na fonim ma na-ebutekwa mgbanwe ụda dị n'okwu ahụ mana mpụtara ha bụ otu ihe. Ị mara asụsụ bụ imara ụda na mkpụrụokwu dị na ya, na otu asụsụ ahụ na ụda si ejikọta aka egosipụta mpụtara ma ọ bụ nghọta dị n'okwu ahụ e kwupụtara. Na mpaghara Igbo dị iche iche, a na-enwe ndị si n'agbụrụ asụsụ ndị ọzọ dị iche iche bịakọta ọnụ_dị ka ndị si mba ọzọ lọta, ndị azụmahịa, ndị na-eje eje abata abata, ndị gụrụ akwụkwọ, ndị na-agụghị, nwoke, nwanyị, ndị okenye, ndị ntorobịa, ndị ọrụ aka dịgazị iche iche, ndị bigasị ebe dị iche iche, na ndị ha na obodo ndị ọzọ gbara agbata obi. Ọnọdụ a niile nwere ike ibuta mgbamonwe n'olundị dị ka anyị ga-ahụ na nkọwa anyị ga-enye na nchọcha a. Nchọcha a huwere isi na mgbamonwe asụsụ na Mbieri na Ụrata dị n'Owere, nakwa Ọhaọzara dị n'Abakeleke. Ihe kpatara e ji tinye Ọhaọzara na chọcha a bụ maka na ọtụtụ mgbe, asụsụ ndị Ọhaọzara na-ada ka o soghi n'asụsụ Igbo. Ya bụ na ọ ga-adị mma ma e gosi nke ọma na olundị ndị Ọhaọzara, Mbieri na Ụrata so ma bụrụkwa asụsụ Igbo kpọm kwem. E meela ọtụtụ nchọcha n'ihe gbasara asụsụ Igbo mana enwebeghị ezi chọcha e jiri asụsụ Igbo kpọmkwem mee n'ihe gbasara mgbamonwe asụsụ n'ogo ụda na mkpụrụokwu n'olundị ndị Ụrata, Mbieri, na Ọhọzara. Ọzọkwa, ọtụtụ mgbe, ndị Igbo ụfọdụ na-asị na asụsụ ndị ọhaọzara abụghị asụsụ Igbo. Ọ bụ nke a kpatara ebumnuche nchọcha a ji bụrụ ịchọpụta mgbamonwe asụsụ n'ogo ụda na okwu na nsụnampaghara atọ ndị a; nakwa ihe na-ebute ya bụ mgbamonwe asụsụ.

Ụrata na Mbieri dị na Igbo nnọnetiti ọwụwanyanwụ, ụfọdu na-akpọkwa ha ndị igbo bi na Ndịda dị ka Nwaozuzu (2017) si gosipụta. Obodo ndị ọzọ dị na mpaghara ahụ gunyere Isuama, Ibeku, Ngwa, Ikwere, Ọkigwe, Arọndịizọgwụ, Ọrlụ, Ụmụahịa, Owere, Mbaise, Mbaitolu na obodo ndị ọzọ gbara ha gburugburu. N'Ọhaọzara dị na Abakeleke nke Steeti

Ebọnyị, a ga-enwetagasị obodo ndị a na ya: Obiozara Uburu, Ugwulangwu, Okposi, Okoposo, Akaeze, na Ishiagụ. A ga-eme nchọcha a site n'ịsa ajụjụ ndị a:

i. Kedụ gasị mgbamonwe n'ogo ụda n'olundị ndị Ụrata, Mbieri, na Ọhaọzara?
ii. Kedụgasị mgbamonwe n'ogo okwu n'olundị ndị Ụrata, Mbieri na Ọhaọzara?
iii. Kedụ ihe na-ebute mgbamonwe n'olu ndị a?

**Ntulegharị Agụmagụ**

Na ntulegharị agụmagụ a, e lebara anya n'isiokwu ndị a: ntulegharị n'isiokwu mgbamonwe n'ogo mkpụrụokwu, mgbamonwe n'ogo ụda, mgbanwe ụda site na ndapụ mgbochiume, mgbamonwe asụsụ n'ogo ụda site na mkpọnuume na mgbamonwe asụsụ site n'ogo mkpọniimi.

**Mgbamonwe Asụsụ N'ogo ụda**

Mgbamonwe ụda bụ ihe metụtara ụda na otu anyị si akpọpụta okwu. Ọ bụ ihe a na-ahụ n'asụsụ ọ bụla. Chaika (2018) kọwapụtara ụzọ ihe atọ e jiri nwee mgbamonwe asụsụ n'ụda n'asụsụ dị iche iche. Nke mbụ, ọ sịrị na onye ọ bụla na-amụ asụsụ amụ maka onwe ya malite mgbe onye ahụ dị na nwata. Nke abụọ ọ sịrị na n'ime omenaala, mgbe ewubere agbụrụ ma ọ bụ otu dị n'ime obodo, nke ọ bụla na-egosipụta ndịiche site na mgbanwe ụda na mkpụrụokwu n'ihi na òtù mmadụ si asụ asụsụ na-akọwapụta onye ahụ. Nke atọ, bụ na ọ bụrụ na a na eṇomi ótú òtù, ndị ọzọ ga-agbanwe ka ha si ekwu okwu ka ha dị ka ndị ahụ. Nke a kachasị pụta ihe n'ebe ndị ntorobịa nọ. Ha anaghị achọkwa ịsụ asụsụ obodo ha. Ha na-ebite ụdaaasụsụ ndị ọzọ ma na-akpọpụta mkpụrụokwu Igbo ka ndị ahụ si akpọ ya ma hapụ ka ha si asụ ma na-akpọpụta mkpụrụokwu n'asụsụ ma ọ bụ n'olundị nke ha. Ọsịsa ha na-enye onye jụrụ ha ajụjụ maka ya na- abụ na ụwa agbanweela. Ha na-ekwu si na oge ugbu a bụ oge kọmpụta, na kọmpụta amaghị asụsụ Igbo. Ha na-asị na mmadụ kwesịrị ịgbanwe asụsụ ebe ọ bụ na ụwa n'onwe ya na-agbanwe agbanwe.

Mgbanwe ụda na-adị n'ihi ndịiche dị na mkpụrụokwu. Etu e si akpọpụta okwu mgbe mmadụ kpachara anya gbanwee etu o si akpọpụta okwu so na-ebute mgbamonwe n'ọlundi na n'asụsụ ndị ọzọ dị iche iche. Ọ na-adịkwa site na mbịakọta asụsụ na asụsụ ndị ọzọ. Ager (2012) kwadosiri nke a ike mgbe o kwuru na mgbe ndị Norman French batara n'obodo England, asụsụ French na asụsụ Bekee bịkọtara ma metụtakwa. Mmetụta a bịara bute mgbamonwe n'asụsụ Bekee. Ager kọwapụtara na mkpụrụokwu puku iri si n'asụsụ French batara n'asụsụ Bekee ma gbanwee mkpụrụ ụda dị na mkpụrụokwu ụfọdụ dị n'asụsụ Bekee. Mgbamonwe asụsụ n'ogo ụda na-eme ka mkpụrụ ụdaasụsụ dị n'okwu ụfọdu gbanwee ụda ha. Dịka o siri kọwapụta, ụfọdụ mkpụrụ ụda ndị gbanwere n'asụsụ Bekee bụ cw, sc dgz. Ha ewerezie ụda ọu, sh, dị ka cwen => queen, scip => ship. N'asụsụ Igbo, e nwere mgbamonwe na mkpụrụ ụda dị n'okwu Izugbe Igbo ndị a.

/h/ => arụ, alụ , ẹhụ, ẹshi
/l/ => alị, anị, ana
/l/ => ụlọ, ụnọ, ụyọ
/f/ => ofe, ohe, ove

Na mkpụrụokwu Igbo ndị ahụ dị n'elu, mkpụrụ ụda dị n'etiti gbanwechara mana o buteghi mpụtara ọzọ nye ha. Ogo ụdaolu ha bụkwa otu, òtù ụdaolu nke ọ bụla nọ na ya ka bụkwa otu ihe ahụ.

## Mgbamonwe ụda site na Ndapụ Mgbochiume

Ihe ọzọ na-ebute mgbamonwe n'ụda bụ ndapụ mgbochiume. Norduist (2017) kwuru na ọ bụ ndapụ mkpụrụụda n'okwu. Ndapụ ụda bụ iwepu otu ụda ma ọ bụ abụọ n'ụdaume ma ọ bụ mgbochiume, nkebiahịrị n'okwu. Dịka o si kwuo, a na-eme nke a ka akpọpụta mkpụrụokwu ọsịsọ ma mee ka ọ dịkwa mfe na mkpọpụta. Ndapụ na-emetụta mgbamonnwe ụda mkpuruọkwu dị n'asụsụ ma ọ bụ n'olundị ụfọdụ. Mgbamonwe asụsụ na-apụta ihe mgbe asụsụ nwere ụdị dị iche iche, bụ nke nwere ụdị dị iche iche n'ebe ma ọ bụ ọnọdụ dị iche iche (hụ Wardhaugh, 2015:149; Ugwuona, 2017). Ụdị a dịgasị iche iche ka e nwere ike ịsụ ma ọ bụ ịkpọpụta n'ebe ma ọ bụ n'ọnọdụ dị iche iche. N'ihe ọmụmaatụ ya, Wardhaugh jiri okwu Bekee dị ka 'singing' na 'fishing' kọwapụta ya nke ọma. Oge ụfọdụ a na-akpọpụta ha dị ka 'singin' na 'fishin'. Ụda ikpeazụ n'okwu ahụ ka e nwere ike ịkpọ mgbamonwe asụsu (ng) nke nwere ụdị abụọ [ŋ] na singing na [n] na singin.

A ga-ahụta mgbamonwe n'asụsụ ọzọ n'okwu Bekee dị ka 'farm' na 'far. Oge ụfọdụ a naghị akpọpụta r; ọ dị etu a, e nwere mgbamonwe (r) ụdị abụọ [r] na Ø (ya bụ nọọtụ). N'asụsụ Bekee, 'th' nwere ụdị mgbamonwe ndịa: [θ], [t], ma ọ bụ [f], dị ka ọ dị na mkpọpụta with, wit, or wif. N'asụsụ Igbo, a ga-ahụtakwa ụdị mgbamonwe a. imaatụ, ala na ana, etu a na otu a, n'olundị ndị Igbo a ga-ahụkwa okwụ dị ka akwụkwọ na akụkọ. Na mpaghara ụfọdụ, a na-akpọpụta ha dị ka aụkwọ na ọụkọ na-etinyeghi 'kw' na 'k' nke mbụ dị na ha. Etu a e si kpọpụta ha n'ụda nke mbụ na abụọ ka e nwere ike ịkpọ mgbamonwe asụsụ (akw) na (ọk), na ha. N'imaatụ (i) e nwere mgbamonwe asụsụ ụdị abụọ (kw) nke nwere [kw] na nke nwere [Ø], (ya bụ efu ma ọ bụ enweghi). Etuakwa ka ọ dị n'ihe ọmụmatu nke (ii) osisi: nke nwere mkpọpụta osisi ma ọ bụ oisi. A na-enwetakwa ụdị mgbamonwe a na ndapụ mgbochiume n'olundị ụfọdụ n'asụsụ Igbo dị ka na Enugu-Ezike, Ọhaọzara, Ọnịcha dgz. Norduist (2017) kọwakwara na ndapụ mgbochiume na-eme ka a na-akpọpụta okwu ngwa ngwa ma mekwa ka mkpọpụta mkpụrụokwu dị mfe.

## Mgbamonwe asụsụ n'Ogo ụda Site na Mkpọnuume

Mkpọnuume bụ nkupụta ume n'ike nke na-eso ihe ndị ahụ na-egbochi mkpọpụta ụda. A na-enwe mkpọnuume n'ihi na mgbe a na-akpọpụta ha, a na-enwe nkupụta ume ikuku n'ike. Ohiri-Aniche (2013:87) sịrị na mkpọnuume bụ ihe a na-eji mkpụrụ uda /$^h$/ dị n'ọtọgrafi anọchite anya ya nke na-ebute mgbanwe na mpụtara okwu abụọ dị ka ọ dị n'ọmumaatụ ndị a:

te /ịte/ to rub
$t^h$e [ị$t^h$e] to wake up
ba /ịba/ increase
$b^h$ a [ị$b^h$a] scold

Abịa n'asụsụ Mbieri na Ụrata, e nwere mkpọnuume na-ebụte mgbamonwe n'ụda dịgasị n'okwu mana mpụtara ha bụ otu ihe. Mkpọnuume n'olundị mba abụọ ndị a bụ itinye mkpụrụ ụda 'h' na mkpụrụ ụda p,t,k,z, dgz. nke na-ebute mmetụta n'ogo ụda dị na mkpụrụokwu nke nwere ike ibute mgbamonwe na mkpụrụ ụda ahụ ma mpụtara ha ka bụkwa otu ihe dị ka anyị ga-ahụta mgbe anyị ga-atụcha ma gosi ihe anyị nwetara na ngwa nchọcha:

## Mgbamonwe Asụsụ n'Ogo ụda Sitere na Mkpọniimi

Mkpọnịimi pụtara ihe n'ọtụtụ mpaghara n'Igbo. Ugwuona (2015) gosiputara mkpụrụụdaasụsụ ise / m, n, ny, ṅ, ṅw/ na-egosi mkpọnimi. Ohiri-Aniche (2013:87) kọwapụtara na ọ bụ 'n' ka a na-eji egosipụta mkpọniimi. Akara a na-eji egosipụta oyiyi mkpọniimi bụ akara a: /~/ nke a na-etinye n'elu ụdaume na mgbochiume ndị bu mkpọniimi na mkpọpụta ha. Ohiri-Aniche (2013:87) kwuputara na mkpọniimi bụ ngosi nkejiokwu a na-ahụ n'ụdaume na mgbochiume dị ka ọmụmaatụ ndị a dị n'okpuru siri kọwapụta.

[ha] ịhà => release
[hă] ịhă => equal
sụ [ịsụ] => pound in mortar
sụ [ịsũ] => clear bush

## Mbamonwe Asụsụ Site na Mkpụrụokwu

N'asụsụ ọ bụla, mgbamonwe bụ okwu ma ọ bụ asụsụ dị iche iche ndị mmadụ na-eji akọwapụta otu ụdị ihe. Labov (1972: 94), Kọwapụtara na mgbamonwe na Iingwiistiks bụ ụzọ ahaziri ahazi e ji ekwupụta otu ihe n'ụzọ dị iche iche. Dị ka ụkpụrụ a tọgbọrọ maka mwube okwu jiri dị iche, otu ahụ ka mgbamonwe n'ogo mkpụrụokwu ga-ejikwa dị iche iche mana mpụtara ha bụ otụ ihe. Ugwuona (2015) kọwakwara mgbamonwe asụsụ dị ka otu okwu otu onye ma ọ bụ karia kwuru n'ụzọ ma ọ bụ ebe dị iche iche mana mpụtara ha bụ otu ihe. Ọ kọwara na mgbamonwe asụsụ na-apụtakarị ihe n'ogo ụda, okwu, ahịrịokwu, mpụtara, dgz. O nyere ihe ọmụmaatụ n'ogo ụda site n'olundị ndị Nsụka dị n'Igbo mgbago ugwu:

| | | | |
|---|---|---|---|
| /s/: | [s], [sh] | isi, ishi | 'head' |
| /a/: | [a], [e] | afere, efere | 'plate' |
| /r/: | [r], [d] | jeere, jeede | 'going', among others |

N'ihe ọmụatụ dị n'elu, mpaghara Iheaka na Ovoko na-akpo ishi, ebe ndị Obolo na-asị isi, ndị Obolo na-asị jeere, ebe ndị Enugu-Ezike na-asụ jeede. Ugwuona nyekwara ihe ọmụmatụ mgbamonwe asụsụ n'ogo okwu: na nsụnampaghara Obolo (cat) a na-akpọgasị buusu ihe ndị a: nwobishi, nwọbara, buusu. Ọzọkwa bụ ọtụtụ okwu ha na-enweta site n'ịkpọpụta akpụ bụ ihe ndịa: ogodo, jaapa, okpologo, na ar$^{j}$ịbọ na mpaghara dị iche iche n'ebe ahụ.

Labov (1972a) kọwakwara na abịa n'okwu Bekee a bụ 'farm' na 'far' na oge ụfọdụ na a anaghị akpọpụta ụda /r/ dị na ha. N'ụzọ dị otu a, e nwere mgbamonwe asụsụ, nke nwere [r] na nke enweghi e ji akara a: / Ø / egosipụta.

Mgbamonwe okwu nke abụọ dị ka Jannis (2000) siri kọwapụta bụ ndịna ihe ndị ahụ dị ka mkpọaha. Ụdị mkpụrụokwu a nabatara iji mgbanwe kelingwiistiks mee ihe maka na ha nwere ụdị ụzọ ihe atọ. Ha dị ala na ndịna nghọta mkpụrụokwu, ha na-abata mgbe o bụla n'okwu ndị ntọrobịa, ha metụtakwara ọtụtụ ihe. Asụsụ niile na-agbanwe ma dị iche site n'otu ebe ruo n'ebe ọzọ. Dị ka e si gosi n'ọwa a, www.bl.uk/learning/langust/sonnds/regional-voius/leụical-variation/ a na-enwe mgbamonwe asụsụ dị iche site na mkpụrụokwu na nkebiahịrị site n'itule etu e si eji asụsụ bekee n'ebe dị iche iche nakwa n'akụkụ otu dị iche iche. Ọ gara n'ihu kwuo sị na ebe ọ bụ na anaghị asụzicha olundị n'ọtụtụ ebe, ya mere a ka nwere ọtụtụ mgbamonwe asụsụ dị iche iche n'okwu na London. E gosipụtara nke a site n'ọtụtụ okwu ndị ha ji amata achịcha n'obodo ha. Ọ gara n'ihu kwuo sị na n'ebe ụfọdụ, a na-akpọ "barm cake", ebe ọzọ a kpọọ ya "bread cake".

Na Derby ha na-akpọ ya "cob", Coventry na-akpọ ya "batch. N'ụzọ okwu ndị a niile na-akọwapụta aha ihe bụ achịcha. Mgbe mmadụ abụọ na-ekwu okwu, ha na-emepụta mkpụrụokwu. Mgbe ụfọdụ, o nwere ike bụrụ otu onye ahụ na-ekwu okwu n'ụdị ọzọ. Iji maa atụ n'olundị 'Mbieri, mgbe onye Mbieri dị na Steeti Imo na-ekwu okwu, ọ nwere ike ikpo mmadụ onye asị. Ọ gaakwa n'ihu n'okwu ya, o nwere ike kpọọkwa onye ahụ onye àbà (lier), o gaakwa n'ihu, o nwere ike sị na onye ahụ bụ onye ụghà (lier). Ọ dịkwa mma ịkọwapụta na n'olundi ndị Mbieri, e nwere ike nweta mgbamonwe ndị a banyere otu mkpụrụokwu a 'nzuzu': iberibe na 'aparị'; ebe 'abụ' nwere 'ukwe', uri na égwú.

Na nchịkọta, a tulere agụmagụ n'isiokwu atụtụ njiarụọrụ, mgbamonwe asụsụ site n'ogo mkpụrụokwu, mgbamonwe asụsụ site n'ogo ụda, mgbamonwe asụsụ site na ndapụ mgbochiume, mmetụta asụsụ sitere na mkpọnuume na mkpọniimi.

## Usoro Nchocha

Usoro nchọcha a bụ nke nkọwa. Nchọcha nkọwa dị ka Umo na Ezema (2007:43) siri kọwaa ya bụ usoro nchọcha ga-enyere aka ịghọta nke ọma otu ihe siri kwụrụ. Iwuala, Ogbebor, Ohen na Onwegbu (1992:7), kọwara ya dị ka nchọcha na-achọ ọsịsa nye ajụjụ n'ihe na-eme ụgbụ a na gburugburu anyị. Mbunuuche ya bụ inwete data maka nkọwapụta ihe. Onye nchọcha ji usoro nkọwapụta otu ihe si kwụrụ na otu o si hụ ihe.

Ebe nchọcha gbadoro ụkwụ na mgbamonwe asụsụ dị n'ihe ọmụmụ soshiolingwistiks. Mpaghara ebe chọchọ bụ n'Ọhaọzara dị na Steeti Ebonyi na Mbieri na Ụrata dị na Owere, Steeti Imo. Ndị e jiri mee nchọcha bụ ndị ụmụ afọ Ọhaọzara, Mbieri, na Ụrata bi gasị na be ha, nakwa ebe ndị ọzọ dị iche iche n'ala Igbo.

Na nchọcha a, ọchọcha jiri ajụjụ ọnụ nweta ngwa nchocha ya. O mere nke a site n'igba ndị nwoke na ndị nwanyị ajụjụ ọnụ ụfọdụ ga-eme ka ha kọwapụtaba ma na-akpọgasị aha ihe ụfọdụ nke ga-enyere ọchọcha aka ichọpụta mgbamonwe asụsụ n'ogo ụda na okwu dịgasị n'asụsụ ha. Ọchọcha gbara ndị Mbieri, Ọhaọzara, nakwa Ụrata ajụjụ ọnụ n'ọnọdụ dị iche iche, nakwa ndị bi n'ogige ụlọ akwụkwọ mahadum Naịjirịa, Nsụka, nakwa mpaghara ala Igbo ndị ọzọ, hazie ma *kọwasịa* ha. Ọchọcha jikwara ndịpụ (standad divieshọn), na miin wee kọwa ngwa mchọcha ụfọdụ.

**Nnyocha ngwa nchọcha**

N'isi nke a, ọchọcha nyochara data o nwetere site n'ajụjụ nchọcha na tebulu na tabulu ma kọwaasị ha.

Ajụjụ nchọcha nke mbụ: Kedugasị mgbamonwe asụsụ n'ogo ụda n'olundị Ụrata, Mbieri na Ọhaọzara? (Nanị akara ụdaolu elu ka e tinyere, ndị ọzọgasị etinyeghi bụ akara ụda ala).

**Tabulu nke mbụ: ọsịsa maka mgbamonwe asụsụ n'ogo ụda**

| Ngụ | Igbo Izugbe | Olundi Ọhaọzara | Olundi Mbieri | Olundi Ụrata |
|---|---|---|---|---|
| i. | ábụ | ẹ́bu | ábụ | ávụ |
| ii | abụọ́ | mbọ́ | abụọ́ | abụọ́ |
| iii | abụ́bụ | ẹvụ́vụ | abụ́bụ | avụ́vụ |
| iv | áfọ | ẹ́vọ | áfọ | áfọ |
| v | Aha | ẹ́ha | aha | aha |
| vi | áhịa | ávịa | áhịa | áhịa |
| vii | akpa | ẹkwa | akpa | akpa |
| viii | ákụkọ | ẹ́kịkọ | ákụkọ | ákụkọ |
| ix | ákị | ẹ́kị | mkpọ́kịrị | mkpọ́kịrị |
| x | ala | anị | ala | ala |
| xi | ányanwụ | ẹ́nyanwụ | ányanwụ | ányanwụ |
| xii | ánya | ẹ́nya | ánya | ánya |
| xiii | fuó | vụá | fuó | fuó |
| xiv | íhe | íve | íhe | ihe |
| xv | íhu | ivu | íhu | ihu |
| xvi | íre | ị́le | íre | ire |
| xvii | mụ́ọ | máa | mụ́ọ | mụ́ọ |
| xviii | mmánya | mmée | mmị́ị | mmị́ị |
| xix | ńrọ | ńlọ | ńrọ | ńrọ |
| xx | ófe | óve | ófe | ófe |
| xxi | pụọ́ | fujé | pụọ́ | fụọ́ |
| xxii | tọrọ | chọrọ | twọrọ | twọrọ |
| xxiii | ụtọ́ | ụtchọ́ | ụtwọ́ | ụtwọ́ |
| xiv | ụ́lọ | ụ́nọ | ụ́yọ | ụ́lọ |
| xv | ụtụ́tụ | ụtchụ́tchụ | ụt$^{h}$ụ́thụ | ụtwụ́t$^{w}$ụ |
| xvi | ụkpana | ụkwana | ụkpara | ụkpara |

Na tebulu nke mbụ dị n'elu, a chọpụtara na olundi ndị Ọhaọzara nwere ọtụtụ adịmiche n'ogo ụda karịa olundi ndị Mbieri na Ụrata. Ọchọcha chọpụtara na mpaghara Mbieri na Ụrata dịcha n'Owere, ndịiche adịchaghị ọtụtụ site na mpaghara ha na nke Igbo izugbe. E lee anya, a ga-ahụ na okwu nke (4-17) ndị Mbieri na Ụrata dị na tebulu n'elu na nke Igbo Izugbe bụ otu ihe, mana abị a na nke mpaghara Ọhaọzara, e nwere ọtụtụ ndịiche na mkpụrụụda dị na ya na nke Igbo Izugbe dị ka e gosiri na (1-26) tebulu dị n'elu, mana mpụtara ha bụ otu ihe. Mgbamonwe n'ogo ụda ndị ọzọ ọchọcha chọpụtara n'asụsụ Igbo sitekwara n'olundị ndị Ọhaọzara, Mbieri, na Ụrata dị ka ọsịsa o nwetara site n'ajụjụ ọnụ ọgbara gosiputara ihe ndị a:

/r, l / dị ka ọ dị n'ile (tongue) n'olundị Ọhaọzara

/s, tw/ dị ka ọ dị na sọrọ (elder) n'olundị Ọhaọzara; sọrọ twọrọ (elder) n'olundi ndị Mbieri na Ụrata.

/kp, ịkw/ dị ka o dị na mkwi (he goat) n'olundi Ọhaọzara; nakwa mkpi (he goat) n'olundi Mbieri na Ụrata.

**Tebulu nke abụọ: ọsịsa maka mgbamonwe n'ogo okwu n'olundị ndị Ụrata, Mbieri na Ọhaọzara.**
**Mgbamonwe asụsụ n'ogo okwu na mpaghara Ụrata, Mbieri na Ọhaọzara**

| | Igbo Izugbe | Olundi Ọhaọzara | Olundi Mbieri | Olundi Ụrata | Bekee |
|---|---|---|---|---|---|
| 1. | ábalị | ụdụ́dụ | ábalị | ábalị | night |
| 2. | ázụ | emúma | ázụ | ázụ | fish |
| 3. | asị́ | ụ́ghọ | u᷄fe, a᷄ba/ ụgha᷄ | úfe/ụghá | lie |
| 4. | ákpụ | ịgbụ́rụ | jáapụ | jáapụ | cassava |
| 5. | e᷄zi/a᷄ma | ọ́nụezuku | a᷄ma | a᷄ma | compound |
| 6. | íyi | mgbawara | íyi | íyi | stream |
| 7. | i᷄kwu na ibe | ohihi | ụmụ nnarị | ụmụ nnadị | relation |
| 8. | lọtara | wara | yọrọ | yọro | returned |
| 9. | ḿpochi | lézku | ḿpochi | ḿpochi | toilet |
| 10. | ọ́ka | akwakwa | ọ᷄ka | ọ᷄ka | maize |
| 11. | nke᷄ a | ọma᷄ | nke᷄ e | nke᷄ e | this |
| 12. | nke᷄ áhụ | oho᷄o | nke᷄hu | nke᷄hu | that |
| 13. | úgbo | o᷄kwu | u᷄bi | u᷄bi | farm |
| 14. | ụ́gū | óvi | ụ́gụ | ụ́gụ | pumkim |
| 15. | ite (mmanya) | atum | udu | udu | keg |
| 16. | ugbú | nte᷄ | ụ́dụ | úgbulaka | now |
| 17. | oke᷄ | okékwuru | óche | óke | rat |
| 18. | ụ́bọchị | ḿbọkọ | ụ́bọchiị | ụ́bọchị | day |
| 19. | okwúte | mkpúma | nkúme,okwúte | nkwúme, | stone |

N'ajụjụ nke abụọ (ii) nakwa tebuul nke abụọ dị n'elu, ọchọcha chọpụtara na Igbo ndị bi na mpaghara Ọhaọzara nwere ọtụtụ ndịiche site na mkpụrụokwu sitere na mpaghara Mbieri, na Ụrata. Mgbamonwe dị na mkpọpụta okwu ha dị ka ọ dị na tebulu a dị n'elu dị pasenti narị. Ya bụ 100%. Nke a na-atuzi aka na ha bụ olundị dị iche iche. N'aka nke ọzọ, olundị ndị Mbieri na Ụrata yitere onwe ha. Imaatụ, na mkpọpụta okwu, okwu iri na isii n'ime okwu iri abụọ e gosiputara na tebulu dị n'elu sitere na Mbieri na Ụrata yitere onwe ha. Pasenti myiri ha dị iri asatọ, ya bụ 80%. Nke a pụtara na e nwekebeghi mgbamonwe na mpaghara ebe abụọ ahụ.

A chọpụtakwara na na-agbanyeghị ndịiche ndị a, mpụtara ha ebuteghị nghọta ọzọ n'izugbe ha.

**Ọsịsa ajụjụ nke atọ: ọsịsa maka mgbamonwe asụsụ n'ogo mkpọnume, na mkpọnimi na mpaghara Ụrata, Mbieri, na Ọhaọzara.**

| Igbo izugbe | Olundi Mbieri | Olundi Ụrata | Ọhaọzara | Bekee |
|---|---|---|---|---|
| atʊ | atʊ̃ | atʊ̃ | atʊ | buffalo |
| ude | udẽ | udẽ | ude | groan |
| udo | udõ | udõ | udo | peace |
| ézi | ézĩ | ézĩ | ézi | pig |

Site n'ọmụmaatụ ndị e gosiri na tabulu dị n'elu, a chọpụtakwazịrị na mkpọnuume na mkpọniimi n'olundi ndị Mbieri na Ụrata na-ebute ndịiche na mkpọpụta ụda dị na mkpụrụokwu mana mpụtara ha bụ otu ihe. Ọmụmaatụ: a ga-ahụta na mkpọniimi na-eme ka

ụda dị n'okwu abụọ dị iche na mkpụrụụda ha mana mpụtara ha bụ otu. Ọ na-egosikwa na Mbieri na Ụrata nwere mkpọnimi ebe Ọhaọzara na Igbo izugbe enweghi. Ụrata na Mbieri ji ya eme nghọta pụrụiche. Ihe ọmụmaatụ dị n'ala gosiri nke a nke ọma:

zi /ezi/ => compound
$z^h$i [ez$^h$ i] => to show
te /ịte/ => to rub
$t^h$e [ịt$^h$e] => wake up
ba /baa/=> increase
$b^h$ a [b$^h$aa] => scold

**Ajụjụ nke atọ: Kedu ihe na-ebute mgbamonwe n'olundị na Ụrata, Mbieri, na Ọhaọzara? A ga-eji miin na standad divieshọn kọwa ọsịsa a nakọtara.**

Ọchọcha ji aka ya mepụta njụmaza anọ ebe ndị ọkachamara na ọkammụta nọ na Ngalaba Edukeshọn na ogbo ya nke Lingwistik, Igbo na Asụsụ Naịjirịa ndị ọzọ tụlere ya. Miin bidoro na 2.50 gbagowe ka a nabatara dịka ọsịsa dabara adaba, ebe akara miin pekarịrị 2.50 bụ ndị anabataghị na nchọcha a.

**Tebulu 3: Ọsịsa Miin na Standad Divieshọn ihe na-ebute mgbamonwe n'olundị ndị Ụrata, Mbieri, na Ọhaọzara (N =94).**

| ngụ | Ndịna | $\overline{X}$ | SD | Nkọwa |
|---|---|---|---|---|
| i | Ọsụụ amaghị asụ olundị ya; olundị ọsụụ adịchaghị mma; ọsụụ amaghi ihe; olundi ndị ọzọ ka nke ọsụụ mma. | 2.11 | 0.53 | anabataghị |
| ii | mpaghara ebe ndị ndị bị, mbịakọta asụsụ, otu ọgbọ | 3.05 | 1.10 | nnabata |
| iii | Mnwem ikike na ikikere, agụmakwụkwọ, ọpụpụ na mbata. | 2.74 | 1.35 | nnabata |
| iv | Ọrụaka na mmetuta olundị | 2.69 | 1.13 | nnabata |
| | Nchịkọta | 2.83 | 1.02 | nnabata |

Tebul nke atọ gosiri ọsịsa miin na standad divieshọn ihe na-ebutakarị mgbamonwe n'asụsụ ndị mpaghara Ụrata, Mbieri, na Ọhaọazara gụnyere. Ngwanchọcha e gosipụtara na tebul nke atọ na-egosi na ndị zara ajụjụ anabataghị ndịna ajụjụ nke mbụ. Ha nabatara ndịna nke abụọ, atọ na anọ (ii-iv). Ihe nke a pụtara bụ na, site n'ọsịsa ndị a gbara ajụjụ ọnụ, gosiri na ihe na-ebutakarị mgbamonwe n'asụsụ ndị mpaghara Ụrata, Mbieri, na Ọhaọazara gunyere mpaghara ebe ndị bi, mbịakọta asụsụ, otu ọgbọ, ọrụaka, mmetuta asụsụ, enwem ikike na ikikere, agụmakwụkwọ, ọpụpụ, na mbata.

**Nchịkọta, ntunye aro, na Mmechi**

Nchọcha a lebara anya na mgbamonwe olundị n'ogo ụda, okwu, mkpọnimi, na mkpọnume. A tulegharịkwara agụmagụ n'isiokwu mgbamonwe asụsụ site n'ogo okwu, n'ogo ụda, ndapu mgbochiume, mkpọnuume, na mkpọniimi. E nyochara ngwa nchọcha e nwetara, hazie ya na tebuul na tebuul. Ọsịsa e nwetere na-egosipụta na olundi Ọhaọzara nwere mgbamonwe n'ogo ụda karịa olundi ndị Mbieri na Ụrata. Ọsịsa e nwetakwara na-egosipụtakwa na e nwere ọtụtụ

mgbamonwe n'olundị ndị Igbo n'ogo ụda, okwu, mkpọnume na mgbọnimi n'olundị ndị Ụrata, Mbieri, na Ọhaọzara. Ọhaọzara nwere ọtụtụ mkpụrụokwu dị iche n'Igbo izugbe karịa olundi Mbieri na Ụrata. Ọzọkwa, a chọpụtara na mkpọniimị na-eme ka ụda dị n'okwu abụọ dị iche. Mkpọniimi na mkpọnuume na-ebute mgbamonwe n'ogo ụda dị na mkpụrụokwu, na-ebutekwa ndịiche na mkpụrụụda okwu abụọ. A chọpụtakwara na mkpọnimi na mkpọnume na ebute nghọta pụrụiche n'okwu abụọ yiri onwe ha na Ụrata na Mbieri. Mgbamonwe n'olundị karịa, o nwere ike ibute mgbanwe na nhapụ olundị, sikwa etu ahụ gbagowe na nhapụ asụsụ. Ọ bụrụ na ndị ntorobịa na-abami abami na mgbamonwe n'olundị ha nke ukwu, ọnọdụ a nwere ike ibute mgbanwe olundị na asụsụ ahụ olundị nọ n'ima ya, ma ọ bụkwanụ sobe ụzọ ọnwụ. Ihe nrite dị na mgbamonwe olundị bụ na ọ na-enye aka ka a ghọta ka ndị bi na mpaghara dị iche iche si asụ asụsụ ha. Ọ na-emekwa ka okwu ma ọ bụ mkpụrụokwu dị n'asụsụ bawanye, ma sị etu ahụ na-adọta ndị nchọcha n'asụsụ ahụ. Na nchọpụta niile a, o doro anya na, mgbamonwe asụsụ bụ otu onye ma ọ bụ karịa ikwuputa/ikpọpụta otu okwu n'ebe ma ọ bụ n'ụzọ dị iche iche mana mpụtara ha bụ otu ihe dị ka anyị gosiri n'olundị ndị Mbieri, Ụrata na Ọhaọzara nke Igbo.

**Nrụaka**


Ager, S. (2012). *The influence of French on the English language.* Retrieved from www.cactusworldwide.com/blog/2012/11/15/theinfluence-on-the-english-language/

Chaika, E.O. (2018). *What are the causes of phonological variations of related languages or dialects of the same language*. Retrieved from https://www.reserachgate.net/post/what-are-the-causes ofphonological-variations-of-related-language-or-dialect-of-thesame-lannguage.

Iwuala, B.C., Ogbegbor, G.C., Ohen, E.R. na Onwuegbu, O.C. (1992). *Research methods in education.* Benin: world of book publishers.

Jannis, K.A. (2000). *Extending the concept of the sociolinguistics variables to slang.* Retrieved from www.bl.uk/learning/linguist/sound/regional-voices/lexical-variation/

Labov, W. (1972). *Language in the inner city*. Philadelphia: University of Pennsylvania Press.

Nordọuist, R. (2017). *Elision (phonetics).* Retrieved from https://www.thoughtco.confelision ponetics/

Ohiri-Aniche, C. (2013). *Igbo speech varieties*. Abuja: Solo media international ltd.

Umo, U.C. na Ezema, T.O. (2007). *Mkpanaka akwụkwọ ọmụmụ nchọcha n'asụsụ na omenaala Igbo*. Nsụka: Ifedimma communications.

Ugwuona, C. N. (2015) *Ntọala na Isiokwu ụfọdụ na Fọnọlọjị Igbo*. Nigeria: University of Nigeria Press Ltd.

Ugwuona, C.N. (2017). Mbịakọta Asụsụ Hausa na Igbo na Nsụ na Mpaghara Abụja, Naịjịrịa. Na *Ekwe Jonal: Nke ndị Igbo Scholars Forum*, vol.4, no. 2,132-147.

**Mgbakwunye**

| ọnụ ọgụgụ | Aha ndị a gbara ajụjụ ọnụ | Obodo | Afọ a mụrụ ha | Aka ọrụ ha | ụbọchị a gbara ajụjụ ọnụ |
|---|---|---|---|---|---|
| 1 | Nwachukwu Johnas | Ọhaọzara | 41 | Dibịa Bekee | 13-04 2018 |
| 2 | Nwalị Greg | Ọhaọzara | 54 | Onye na-atụbata ngwa ahịa ọgwụ | 13-06-2018 |
| 3 | Nwadike Ifeanyi | Ụrata | 56 | Onye ọrụ ụzọ | 13-03-2019 |
| 4 | Maazị Victor Etiembọ | Ọhaọzara | 62 | Onye ọzụ ahịa | 13-09-2018 |
| 5 | Udeh Gebriel | Ọhaọzara | 48 | Onye ọrụ ugbo | 15-11-2018 |
| 6 | Maduekwe Bridget | (Mbieri) | 45 | Nọọsụ | 15-05-2019 |
| 7 | Maazị Osuagwụ Braindan | Ụrata | 53 | Onye ọzụahịa | 15-01-2019 |
| 8 | Anya ụzọigwe | Ụrata | 68 | Onye ọrụ ugbo | 15-01-2019 |
| 9 | ụmụ akwụkwọ iteghete | ụmụ akwụkwọ iteghete, atọ atọ n'obodo n'olundị obodo ọ bụla ọchọcha jiri mee nchọcha a | 16-27 | ụmụ akwụkwọ | 9-12-18 |